# ENYERE NDỤMỌDỤ MAKA ITÒ CHINEKE

## Abù Ọma 33:1-22

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 31 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu ezi ihe ikele JEHOVA ekele, na ibùku aha-Gi abù ọma, Gi Onye kachasi ihe nile Elu" (Abù Ọma 92:1).**

**I Otuto Nke Chineke Ọlụ Na Ohere Pụrụ Iche Anyị Nwere**

1. Òfùfè na otuto nke Chineke bụ ohere na ọlụ dịịrị ndị eziomume, Abù Ọma 33:1
2. Tụkwasị nke a, anyị kwesịrị iji ụbọ̀ na opi dị icheiche too Ya, Abù Ọma 33:2; 150:1-6
3. O kwesịkwara ka anyị bukue Ya abụ̀ otuto, Abù Ọma 33:3; 149:1-9; Ndi Efesọs 5:19, 20; Ndi Kọlọsi 3:16

**II Ihe Ụfọdụ Kpatara Anyị Gaeji Too Chineke Dịka Egosịrị Ya N'oge Garaaga**

4. Anyị kwesịrị itò Ya n'ihi ịdị ike nke Okwu Ya dịka emere ka ọ pụta ìhè n'òkìkè, Abù Ọma 33:4, 6, 8, 9; 148:1-6
5. Anyị kwesiri itò Ya n'ihi ọlụ niile dị ebube nke Ọ lụrụ n'ihi ọ dị mma nke anyị, Abù Ọma 33:4, 6, 7, 9; 148:7-14; Aisaia 12:1-6
6. Anyị kwesịrị itò Ya n'ihi eziokwu Ya, eziomume, na ịdị mma Ya --- bụ́ ihe niile dị n'ụdị ebighịebi Ya nke ekpugheere anyị site ná mmeso Ọ naemeso ụmụmmadụ, Abù Ọma 33:4, 5
7. Anyị kwesịrị itò Ya n'ihi ikpé Ya niile nke ziriezi, dịka egosịrị ná mmeso Ya n'ebe ndị na-ekweghị ekwe nọ, Abù Ọma 33:5, 8, 10; Ndi Rom 1:19-21
8. Anyị kwesịrị itò Ya n'ihi amamihe Ya, na ịhụ́n'anya Ya náenweghị atụ̀ nke náapụta ìhè na mmetụ ihe banyere mmadụ niile naemetụ Ya n'obi, Abù Ọma 33:4, 8, 10, 11; Ndi Rom 11:33-36

**III Ihe Ụfọdụ Náeme Ugbu a Nke Kpatara Anyị Ji Etò Chineke**

9. Ọ naecheta ma náeme kwa ka ngọzi rute ndị ahụ hụrụ Ya n'anya náasọpụrụ kwa Ya, Abù Ọma 33:12-15
10. Ịdị ike nke mmadụ bụ nááńí adịghị ike, Abù Ọma 33:16, 17; 20:7; 118:8, 9
11. Emere ka ịhụn'anya nke Chineke pụta ìhè site ná nrọpụta Ya nye mkpà nke imemmụọ na nke anụarụ anyị kwa ụbọchị, Abù Ọma 33:18, 19; Luk 12:22-32; Jọn 3:16, Ndi Rom 8:38, 39
12. Ekpere ngọzi ahụ: Ntụkwasị obi anyị niile n'ebe Chineke nọ, Abù Ọma 33:20-22; Jud 24, 25

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Amaokwu ibun'isi anyị naasị na ọ bụ "ezi ihe ikele JEHOVA ekele, na ibùku aha-Gi abù ọma," Gị Onye kachasị ihe nile Elu. Ebeọgụgụ anyị malitere site n'inye ndịKraist iwu ka ha tie mkpu ọ̄ñụ nime Jehova ma too kwa Ya n'ụzọ niile ha nwere ike. Ya mere anyị naahụ́ site n'ebeọgụgụ ndịa, na otuto abụghị ihe agaenye mgbe ụfọdụ rapụ mgbe ụfọdụ ihe agaeme náelezighịanya, maọbụ ihe agaeme mgbe ọ dapụtara, kama ọ bụ ihe agana eme mgbe ọ bụla, nke ganaabụ kwa ihe agaahụta nime anyị ụbọchị niile nke ndụ̀ anyị bụrụ kwa n'ezie otù nime ihe náaghaghị ịdị n'òfùfè nke Chineke anyị naefé n'ọgbakọ.

Abù Ọma nke a dị ebube bụ nnọọ ihe edepụtara n'ụzọ agaaghọta ya, o jikọtakwara ihe banyere otuto nkeọma, nke mere na ọ dịghị kwa ọtụtụ iheọzọ dị mkpà ka edee iji duzie onye ahụ nke ọ naagụ agụụ ịbà n'omimi na àkụ̀ ya niile. Mmụọ Nsọ naachọ isite n'aka onye dere ihe a gosi anyị na inye Chineke otuto agaghị abụ nááńí ohere dịrị onyeKraist, kama ọ bụ kwa ọlụ dịrị ya, ebe ọ bụ na Chineke nyesịrị ya ike dịka iwu n'Onwe ya. Kraist bịara itinye otuto n'obi anyị n'ihi na anyị naagụ na Aisaia 61: 3 na otù nime nime ihe mere O ji bịa n'ụwa bụ inye ha "ihe ọma ike n'isi n'ọnọdu ntu, manu obi-utọ n'ọnọdu iru-újú, akwa-mgbokwasi otuto n'ọnọdu mọ nke inyogh-inyogh" ka ewe kpọ anyị "osisi oak nke ezi-omume."

Anyị naahụ́, n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke ihe a dị óké ọnụahịa nke sitere n'igbé àkụ̀ nke akwụkwọ Abù Ọma na anyị aghaghị isite n'ụzọ ọ bula nke mmadụ maara too Chineke. Baịbụl naagwa anyị n'ebe ọzọ na ùsùù ihe niile ekèrèèkè naetò Ya, anyanwụ, ọnwa, kpakpando na mbara Eluigwe onwe ha naefè Chineke òfùfè ma náetò kwa Onye kèrè ha. Baịbụl jiri ihe nke anaakpọ "Abù Òkìkè" meghe, ma Job naekwu kwa banyere mgbe kpakpando ụtụtụ naetikọ mkpu ọ̄ñụ ná mmalite nke òkìkè. Anyị nwekwara ike ịgụ n'akwụkwọ Nkpughe akụkọ banyere igwè ndịabụ̀ nke ọnụọgụgụ ha riri óké nne nke ukwuu, nke anaapụghị ịgụta ha ọnụ, ndị ná abù kwa abụ̀ gburugburu ocheeze nke Chineke. N'Eluigwe mmadụ niile gaabụ̀ abụ̀!

Ma anyị agaghị èché tutu anyị erue Eluigwe ka anyị wee sonye ná mnwapụta ọ̄ñụ nke a náakpali mmụọ. Edere Abù Ọma ndịa ná mmalite ka anaabụ̀, ọbụná mgbe anaatụgharị okwu ha, ha náenwe ihe anaachọsiike bụ́ nke edeworo n'ụwa. Moses kuziiri Ụmụ Israel ịbụabụ̀; otù nime ndị ikpé ha, Debora, jiri abụ̀ mmeri ebighịebi too

Chineke, Devid bụ́ onye mara nnọọ abụ̀ nkeọma, n’ihi na ọ naanọrị na mbara ama ogige nke eze naakpọ ụbọ; anyị naaghọta kwa na ọ naeji obi ya niile náabụku Chineke abụ̀ otuto.

N’oge nke Baịbul ha nwere ọtụtụ arịa egwú dị icheiche, ndị anaalụzighị nkeọma dịka ndị anyị nwere taa, otú ọ dị, ha nwere ike iwepụta ụda abụ̀ dị ụtọ ma dị kwa mma ige ntị. Enwere ụdị ụbọ eji akwara mee na opi dị icheiche, hapụ, ụbọakwara, ùne, ọ̀jà, opi na opiike so nime ha; tụkwasịkwa ndịa ha nwere udu, egwúotiti, ájà, bụ́ ihe eji eti egwú náada óké ụda nke emere ka ọ bụrụ ihe anaetieti maọbụ ihe anakụkọta akụkọta. Onye dere abụ̀ ọma ahụ bụ́ Devid jiri ihe ndịa niile n’otù igwè ndịabụ̀ ya , nke agwara anyị na ha ruru puku anọ (4,000), ka o wee nye Jehova otuto kwesịrị ekwesị (I Ihe Emere 23:5).

Jisọs gụpụtara site ná Abù Ọma ahụ náenweghị ihe mgbochi, ma rụtụ kwa ha aka ọtụtụ ugbò wee sị na ọtụtụ ihe edere nime ha bụ ihe banyere Ya onwe Ya. Abù Ọma niile ahụ naakọ nnọọ n’ụzọ pụrụ iche ihe banyere ọbịbịa nke Kraist n’eluụwa ka anyị náakpọ Abù Ọma nke Mesaia. Jisọs na ndị náesoụzọ Ya bụrụ abụ̀ mgbe ha risịrị Nri Anyasị. Nke Onyenweanyị, tutu ha ejee n’ogige ahụ ebe agaanọ rara Jisọs nye. Ọbụná okwu O kwuru mgbe Ọ naachọ ikubi ume, mgbe Ọ nọ n’eluobe, bụ ụfọdụ n’okwu ndị sitere n’ihe odide ahụ dị ebube.

Mgbe Jisọs rịgosịrị n’Eluigwe anyị naachọpụta na nzukọ Kraist nọ kwa náetò Chineke n’ụzọ dị otú a. NdịKraist nke mgbe ochie, ndị náenweghị ebe ewuru nkeọma ha nọ n’éfè òfùfè --- ọtụtụ mgbe ha, naabà n’olùlù na ọgbà nke nọpụrụ iche n’ebe zoroezo ebe ndị náabụghị nke Kraist náagaghị ahụ́ ha, n’ihi óké mkpagbu nke dị n’oge ahụ --- nọgidere n’itò Chineke n’abụ̀ na okwu otuto dị icheiche. N’ihe odide nke Pọl Onyeozi dere, ọ gwara nzukọ Kraist n’oge ahụ --- náagwa kwa anyị --- na ndịKraist niile ganaagwarịta onwe ha okwu otuto Chineke site n’iji “abù ọma na ukwe na abù nke Mọ Nsọ. O rue, mgbe òfùfè Chineke malitere ịgbasa n’eluụwa, náagbasa rue Ọgbọ nke Ọchịchịrị ahụ --- n’etiti ndahie na ọchịchịrị nke ụbọchị ndị ahụ jupụtara ná enweghị iheọmụma nke imemmụọ --- NdịKraist naeji abụ̀ nkasịobi ndịa náewuli okwukwe ha ma náeme kwa ka ịhụn’anya ha náadị ọkụ.

“Ọ bu ezi ihe ikele JEHOVA, na ibùku aha-Gi abù ọma, Gi onye kachasi ihe nile Elu.” Ka ayị ghara ichefu ndụmọdụ nke amaokwu nke a, maọbụ ahịrị okwu niile náakpali mmụọ nke dị n’ebe ọgụgụ nke iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị bụ́ kwa nke edere igosi anyị ụzọ ịdị ndụ ịsọpụrụ Chineke n’eluụwa nke a na mkwadobe maka ndụ nke Eluigwe, ebe anyị gaanọ ebighịebi n’òfùfè na otutu nke Onye ahụ Nke ji ọbara nke Ya Onweya zụta anyị ma gbápụtakwa anyị site n’aka onyeiro.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ànyị ji ụgwọ itò Chineke ?
2. N’ụzọ dị añaa ka NdịKraist mgbe ochie ji too Chineke?
3. N’ihi gịnị ka edere Abù Ọma ná mmalite?
4. Gịnị mere anyị gaeji too Chineke?
5. Ọ bụrụ na anyị ekwesị ntukwasịobi n’itò Chineke gịnị ka anyị gaele anya inweta?
6. Ònye dere nke ka n’ọnụọgụgụ n’Abù Ọma niile?
7. Gịnị bụ “ukwe mbu” dị nime Baịbụl?
8. Mmadụ òle gaanọ n’óké igwè otuto gburugburu ocheeze nke Chineke?
9. Òlee aha enyere Abù Ọma niile ahụ nke náebu amụma banyere Jisọs?
10. Òlee otú anyị nwere ike iji too Chineke?